**OLISA by JUDE NNAM (ANCESTOR) KEY $B^b$ ALLEGRO CANTABILE**

**BASS INTRO**: K'anyi kelee Ya n'orulu Ya. Kelee Ya n'okwesiri Ya; Kelee Ya n'oziere Ya. Kelee Ya. Kunie

k'anyi…**BASS CONT**: kelee Ya n'orulu Ya. Kelee Ya n'okwesiri Ya. Kelee Ya n'oziere Ya. Kelee Ya; Kunie **REF**: k'anyi kelee Ya n'oruru Ya. Kelee Ya n'okwesiri Ya. Kelee Ya n'oziere Ya. Kelee Ya Nna! Leken'iheoma nile di n'uwa, ha busi oru aka Gi! Chukwu Nna nk'igwe, Oruolo Gi! O kwesiri Gi! Oziere Gi! Ekele diri Gi. Otito diri Gi! Ebube zuru Gi ahu, Nna! Olisa I meela! Ihe di ebube k'In'eme! Ih'Imere juru m afo. Ih'Imere juru m anya! Aka m di n'elu! Oruolu Gi! Ekele diri Gi! Okwesiri Gi. Otito diri Gi! Oziere Gi= Igwe n'eche ndu mo! Aka m di n'elu! Oruolo Gi, Ekele diri Gi! Okwesiri Gi. Otito diri Gi! Oziere Gi- Chi n'eme mma!

**TENOR**: kelee Ya; jee jaa Ya mma! To-be Olisa nk'igwe, kele Chineke nk'igwe ndi agha;//**REF**: kelee Ya, jee jaa Ya mma! To-be Olisa nk'igwe, kele Chineke nk'igwe ndi agha. Leken'iheoma nile di n'uwa, ha busi oru aka Gi!/// Oruolu Gi; Okwesiri Gi! Oziere Gi! Ekele diri Gi. Otito diri Gi. Ebube zuru Gi ahu, eh! Olisa I melaa! Ihe di ebube k'I neme! I h'Imere juru m afo. I h'Imere juru m anya! Aka m di n'elu ekele--- diri Gi, otito diri Gi, Olisa mo, onye di ka Gi? Akam di n'elu ekele-- diri Gi otito---diri Gi, O Chineke, Onye mma!

**SOPRANO: REF**: K'anyi kelee, kelee--Olisa, k'anyi jee jaa Ya mma. K'anyi kelee kelee Olisa nk'igwe! Chineke mo! Ogbaka eje ogu! Obu Ya n'elekota mo! Obu Ya n'echekwaba mo! Olisa e gboo! Olisa emeka! Olisebuluwa mma-mma, biko nar'ekele. Olisa doo--------------------; Aka m di n'elu Oruolu Gi. Ekele diri Gi! Okwesiri Gi. Otito diri Gi! Oziere Gi- Igwe n'eche ndu mo! Aka m di n'elu, Oruolu Gi. Ekele diri Gi! Okwesiri Gi. Otito diri Gi! Oziere Gi-Chi n'eme mma!

**ALTO: REF**: K'anyi kelee kelee --Olisa jee jee jaa Ya mma. Tobe Olisa nk'igwe. Obu Ya ka m ji aba! Obu Ya n'elekota mo! Obu Ya n'echekwaba mo! Olisa egboo!-- Olisa emeka! Olisebuluwa doo, ----nar'ekele. Olisa I melaa! Ih'ebube k'In'eme! Ma iru ma azu m, ihe di ebube! O juru m anya! Aka m di n'elu! Oruolu Gi. Ekele diri Gi! Okwesiri Gi! Otito diri Gi! Oziere Gi- Igwe n'eche ndu mo! Aka m di n'elu! Oruolu Gi. Ekele diri Gi! Okwesiri Gi. Otito diri Gi! O ziere Gi-Chi n'eme mma!

**VERSES:**

1. **SOP & ALTO**: Udara dara n'ala emetugo aja; Azu bi na mmiri adighi ago agugo mmiri. Anyi bi n'uwa, njo zur'anyi ahu! Onye njo ka m bu, man'Olisa elegh'anya na njo mo. Onwur'onwu n'obe, Onwu Ya k'Ojiri zoo mo **(B-T).** Ke lee lee lee nuo! REFRAIN///
   **TENOR**: Olisa kwe, ihe nile ga-adi mma! REF
   **BASS:** Olisa bi n'igwe, I karisiri! Narekel'anyio, Nna! REFRAIN///

2. **SOP & ALTO**: Chukwu kere nwa agu agaghi ekwe ka nwa agu taa ahihia. Chi ma mkpa moo, I n'egboro m mkpa mo. Onyinye Inyere mo---bar'uba. (Nna), ya ka m ji eme onu, ya ka m ji eme ngala. Agu n'eche mba moo-- Olisa Imeka **(B-T)** Ke lee lee nuo! REFRAIN///
   **TENOR**: Olisa kwe, ihe nile ga-adi mma! REF
   **BASS:** Olisa bi n'igwe, I karisiri! Narekel'anyio, Nna! REFRAIN///

3. **SOP & ALTO**: Nwa n'eso okenye, otaghi ose otaa oji, makana aka n'aga n'akuku oku, n'agakwa n'akuku onu. Onye n'eso Gi (n'azu) Chineke, Onwer'ihe nile. Olisebuluwa n'azu mo, O dighi ihe koro mo. Ochendo mo! Agu bata mgbada awar'oso**!(B-T).** Ke lee lee lee nuo! REFRAIN///
   **TENOR:** Olisa kwe, ihe nile ga-adi mma! REF
   **BASS**: Olisa bi n'igwe, I karisiri! Narekel'anyio, Nna! REFRAIN///

FSPCO/ICCC